# IHE ASA NKE

# NZO̱PUTA NAGAGHI ESITE NA HA

1. Ibu Onye aha ya di na cho̱ch.
2. Ime Baptism.
3. In'ata oriri Nso̱.
4. Ilu o̱lu ofufe di iche iche.
5. Inara Uzo̱ Kraist Site na nmuta nani.
6. Inye ndi ogbenye onyinye.
7. Ndu ziri-ezi ma o̱bu Ezi omume.

Jisus siri "Aghagh imu unu o̱zo̱" (Jo̱n 3:7).

"O̱buru na unu echegharigh, unu nile gala niyi otu ahu" (Luk 13:3).

"O̱ buru na unu echigharigh, bia di ka umuntakiri, unu agagh-aba n'ala-eze elu-igwe ma o̱li" (Matiu 18:3).

Ngbanwe aghagh idi

NANI OTU IHE GA EWETA NZO̱PUTA

Okwukwe na Jisus Kraist dika Onye Nzo̱puta gi. Nzo̱puta adigh kwa n'onya o̱bula o̱zo̱. O̱lu Ndi Ozi 4:12.

Jisus siri "Onye o̱bula nke nekwere na mu nwere ndu ebigh-ebi-Kwere na Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, aga-azo̱puta gi."

"O̱ buru na i gewere o̱nu-gi kwuputa Jisus na O̱ bu Onye-nwe-ayi, o̱ buru kwa na i gewere obi-gi kwere na Chineke mere ka o si na ndi nwuru anwu bilie, agazo̱puta gi" (Jo̱n 6:47; O̱lu Ndi Ozi 16:31; Ndi Rom. 10:9).

"O̱ buru kwa na nwusi o̱bara adigh ngbaghara nmehie adigh" (Ndi Hibru 9:22).

"Unu matara na ejigh ihe apuru imebi, . . . Kama eji o̱bara di oke o̱nu-ahia dika nke nwa aturu nke o̱lu ma-o̱bu ntupo̱ nadigh ya n'aru" (1 Pita 1:18,19).

"O̱bara Jisus, bu O̱kpara-Ya, nasachapu kwa ayi nmehie nile" (1 Jo̱n 1:7).

"N'ihi na o̱bara ka o̱bu nke nekpuchi nmehie nime nkpuru obi" (Levi. 17:11).

"Onye nekweyeghi O̱kpara ahu agagh ahu ndu; kama iwe Chineke nano̱gide n'aru ya" (Jo̱n 3:36).

N'ihe ndia nile ka — i gho̱hie-kwala ayi, otu o̱buna o̱tutu nime ihe-asa ndia edeputara na nbido iberibe akwukwo̱ a bu ihe di mkpa n'ebe ndi bu ndi nke amuru o̱zo̱ nezie.

**Word Of Truth**, P.O. Box 1126, Kaduna, Nigeria